# UBUBE JEKỌB
## Jenesis 27:41-46; 28:1-22
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 23 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ebe-obibi-gi ka Chineke nke di site na mgbe ochie bu, n'okpuru ka ogwe-aka mgbe ebigh-ebi di kwa" (Deuteronomi 33:27).**

**I Àtụ̀mààtụ̀ Rebeka Banyere Mgbapụ Nke Jekọb**

1. Ịsọ chèpụtara igbu nwanne ya n'ihi ngọzi ahụ enyeworo ya, Jenesis 27:41, 36
2. Nne ya tụpụtara ka Jekọb gbalaga n'ụlọ nwanne ya nwoke na Heran, Jenesis 27:42-45
3. Rebeka jiri aghụghọ kwue na Jekọb naaga Heran ịchọtara onweya nwunye, Jenesis 27:46

**II Aisak Nabatara Ọpụpụ Jekọb Ngwangwa**

4. Iwu o nyere ka Jekọb ghara ịlụtara onweya nwunye site n'ụmụnwanyị ndị Kenean kama site n'ụmụ ndịnyom nke Leban, Jenesis 28: 1, 2; Jenesis 24:2-4
5. Aisak kpereekpere ka ngọzi Abraham dịkwasị Jekọb; ewee zipu Jekọb rue Heran, Jenesis 28:3-5
6. Ịsọ nwara ka o mee ihe gaatọ ndị mụrụ ya ụtọ n'ịrọrọ nwunye site n'ụmụ ndịnyom nke Ishmeal, Jenesis 28:6-9; 26:34, 35

**III Nrọ̀ Jekọb Mgbe Ọ Naaga Heran**

7. O dinara ala ịrarụụra, nááń ya n'ọhịa mgbe anyanwụ dara were nkume mee ihe idobeisi, Jenesis 28:10, 11
8. Nrọ̀ ya banyere ubube nke sitere n'ala rue n'Eluigwe ebe ndị mmụọozi naarịgo náarịda, Jenesis 28:12; Ndị Hibru 1:14; Jọn 1:51
9. Emere ka ọgbụgbandụ Ya na Abraham gbara dị ọhụụ, Jenesis 28:13-15; 12:2, 3; 26:1-4

**IV Egwù Jekọb Na Mkwà O kwere Chineke**

10. Egwù ya banyere iru Chineke mgbe o tetara, Jenesis 28:16, 17; 27:12
11. Nzọụkwụ ya iru nso Chineke site n'ido nkume ka ọ bụrụ ogidi na ịwụsa mmanụ n'elu ya, Jenesis 28:18; Ọpụpụ 29:36
12. Ebe ahụ dị nsọ, ebe Abraham kpekwara ekpere, ka akpọkwara Betel "ulo nke Chineke," Jenesis 28: 19; 13:3, 4; Aisaia 56:7
13. Mkwà Jekọb kwere ịkwụ otù ụzọ n'ụzọ iri dịka Abraham mere bụ ihe gosipụtara ọgbụgbandụ nke ha na Chineke, Jenesis 28:20-22; 14:20; 18:19.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Ihe ọdịn'iru nke Jekọb na Ịsọ gaabụ dabeere n'àtụ̀mààtụ̀ nke Chineke dịka edebeworo ya n'amụma nke Malakai: "Ịsọ, ọ̀ bugh nwa-nne Jekọb? (ọ bu ihe si n'ọnu JEHOVA puta); otú ọ dị, anamahụ́ Jekọb n'anya; ma Ịsọ ka M'kpọworo asị." Chineke, onye mara obi mmadụ niile, hụrụ ihe dị iche n'obi ụmụokoro abụọ ndịa ọbụná tupu amụọ ha. Ma n'ebe ahụ Jekọb onye bụ nke ntà nime ha abụọ, onye gaje kwa iwere ọnọdụ nime usoro nke ndị Chineke rọpụtaworo ka egosịrị site n'aha ahụ enyere ya n'oge ọmụ́mụ́-ya: Jekọb pụtara "ijide ikiri-ukwu" maọbụ "iwere ọnọdu onye ọzọ."

Ma ọ dịghị mkpà ka Jekọb maọbụ nne ya were nchepụta nke a na omume aghụghọ nke náagbagwoju anya chọọ imezu àtụ̀mààtụ̀ nke Chineke ka Jekọb bụrụ onye nketa nke mkwà na ngọzi dị icheiche nke Chineke. Ọ dịghị mgbe ọ bụla Chineke naadabere n'amamihe nke mmadụ imezu àtụ̀mààtụ̀ Ya, maọbụ iji omume ụgha nke ụmụmmadụ mee ka nzube Ya guzo. Ọ dịghị mgbe Chineke nábatawaro mmehie n'ụzọ maọbụ n'ụdị ọ bụla. O mere ka àtụ̀mààtụ̀ Ya pụta ìhè, mee kwa ọgbụgbandụ ahụ ka ọ dị ọhụụ nye Jekọb bụ́ ọgbụgbandụ nke Ya na Abraham gbara náeme ka nke ntà bụrụ onye nketa nke mkwà niile nke ọgbụgbandụ ahụ -- ọ bụghị n'ihi aghụghọ niile nke Jekọb na nne ya kama ọ bụ náagbanyeghị omume ọjọọ niile ha.

Site n'òkìkè dịka ihe anaahụ anya si dị, Ịsọ ziriezi n'omume ya o zubere n'ebe nwanne ya nke ntà nọ. Ọ bụ ihe dị dịka anụarụ si achọ na onye mmehie gaachọ ịbọ̀rọ̀ onweya ọ̀bọ̀ na ịgbalị ịlụso onye iro ya ọ̀gụ̀. Na nke a Ịsọ tụrụ àtụ̀mààtụ̀ igbu Jekọb mgbe nna ha nwụsịrị, n'ihi na ọ maghị Onyenweanyị bụ́ Onye n'ihi ọdịmma nke ndị na eso Ya mesịrị kwue sị: "Mu nwe ọ̀bọ̀; Mu onwem gēnyeghachi." Ihe ilereanya nke Ken na abọsoghị ya

ọ̀bọ̀ n’ogbugbu o gburu Ebel ezuwo igosi Ịsọ eziokwu ahụ pụtara ìhè n’anya nke Chineke nke náahụzu mmehie niile nke ụmụmmadụ náarịba kwa ha ama, ma n’oge nke ya Ọ gaekpe onye mmehie ọ bụla ikpé.

Rebeka laghachịrị ọzọ n’ụzọ aghụghọ natakwa Aisak ike ka Jekọb rapụ obodo ahụ, gọzi kwa ya n’ihi ijè ya. Ya mere dịka ọnọdụ ihe niile dị, egwù ọnwụ nke náatụ ya na adịghị n’otù nke dị n’èzínaụlọ ahụ mgbe niile, Jekọb wee bulie ijè ya.

N’abalị mbụ, ọ kwụsịrị izuike n’etiti mbara nke obodo ahụ. Enweghị ọnọdụ dị mma nye ya; ma ọ bụ ihe kachasị mma náánị ya na Chineke ịnọ, n’ihi na ọ bụ n’ebe a ka otù ihe mere nke wetara mgbanwe nime ndụ ya niile.

N’ụra ya ọ rọrọ nrọ̀ maramma. Ọ hụrụ ubube nke sitere n’ala rue Eluigwe ndị mmụọozi nọ na ya, náarịgo náarịda. Jehova guzo n’elu ya wee gwa Jekọb okwu, náekwugharị ọgbụgbandụ ahụ nke O buru ụzọ nye Abraham, na site na mkpụrụ ya ka agaagọzi agbùrù niile nke ụwa. Ihe ọzọ atụkwasịrị n’ọgbụgbandụ a bụ mkwagide nye Jekọb na Chineke gaanọnyere ya n’ijè ya, na ọ dịghị mgbe ọ bụla Aka ahụ dị nsọ náagaghị adịkwasị ya, na mgbe emesịkwara agaeme ka ọ lata n’ala nke nna ya bú Aisak.

Okwu mkwagide a bụ ime ka egwù nke dị n’obi onye a gbapụrụagbapụ site n’ụlọ n’ihi egwù nwanne ya na nsogbu nke ganaadịgide n’etiti ha abụọ bụrụ ihe emenyụrụ. Ebe ọ bụ na okwu niile nke Chineke ezuwo iwepụ egwù ahụ, Jekọb hụrụ egwù ọzọ n’obi ya. Nke a bụ egwù Chineke – Chineke ahụ Onye ọ náadịghị mgbe ọ bụla o webatara n’àtụ̀mààtụ̀ ya n’ụzọ ọ bụla tutu rue oge a, na Chineke Onye ọ náapụghị kwa ịgbanarị maọbụ zonarị. Anyị pụrụ ịgbanarị ihe mmehie anyị pụrụ ịlụpụta n’ebe mmadụ ibe anyị nọ; ma ọ dị otù ihe doro anya: anyị apụghị ịgbanarị anya Chineke nke náahụ́ ihe niile.

Iji nápụta onweya n’amamikpe mmehie a ọ bụ náánị otù ihe dịrị ya ime: ọ gaamata mmehie ya niile mee kwa ka ya na Chineke gbaa ndụ. Nke a ka o mere site n’iji nkume wue ebe ịchụàjà na ikpé ekpere nke o kpere.

Ọ bụ ihe pụtara ìhè na Chineke nụrụ ekpere ahụ, n’ihi na Onyenweanyị ghọrọ Chineke nke Jekọb, Jekọb wee kpọọ ebe ahụ **Betel**, nke nkọwa ya pụtara **Ụlọ nke Chineke**. Azọpụtara Jekọb; anyị naahụ́ na omume ya niile gbanwere site n’oge a gaa n’iru. Ọ dị ebube bụ ọlụ niile nke Chineke anyị! N’otù ntabianya ikpéọmụma na amamikpé nke mmehie gabigara, ewepụrụ ịtụ Chineke nke eziomume egwù, ndabere ahụ nke náenye udo nke mgbaghara mmehie ka anaenye kwa, mgbe onye mmehie nke náechègharị naarịọ arịrịọ maka ebere, na mgbaghara ahụ dị nsọ.

Ịsọ naanọchite anya ụdị mmadụ ndị hụrụ ihe nke ụwa n’anya ndị náachụso ihe dị ugbu a, ihe nke ndụ a náadị nwaoge, ndị náadịghị elepụanya n’iru ịhụ́ ihe ịjụ ngọzi niile nke ihe mmụọ naalụpụta. Jekọb naechetara anyị ndị ahụ náadịghị enwe afọ ojuju n’ihe ha nwere na ọnọdụ ha mgbe ha sitere n’ịnụpụrụ Chineke isi, náachọ ihe ndị ka mma náechègbu kwa onwe ha inweta urù na ngọzi nke náabụ nke ha.

Ubube ahụ nke Jekọb hụrụ na ụ̀sụ̀ụ̀ ndị mmụọozi ya, bụ ụdị ụzọ ahụ nke mmadụ naesi abịaru Chineke nso. Mmehie lụpụtara ihe dị óké egwù ná mmalite – nkewa n’ebe Chineke na mmadụ nọ -- ma Chineke akawo ya àkàrà na ndị niile chọrọ pụrụ ịlaghachite n’ọnọdụ nke ha na Ya inwe mmekọrịta. Imezu nke a, ọ dị mkpà na agaenwe Onye ogbugbò. Ọ dịghị onye pụrụ imeju ọnọdụ ahụ ma ọ bụghị Jisọs, Ọkpara Chineke; otú a ka akwadobere ya site na ntọala nke ụwa na Ọ gaabịa ichifịa isi nke setan ma rọpụta ụzọ agaesi mee ka Chineke na mmadụ dị n’otù.

Jisọs bịara, n’oge kwesịrị; wee hụara ụmụmmadụ ahụhụ wee bụrụ “ubube” ahụ, ka ekwue ya otú a, nke mmadụ gaesite na ya rịgokuru Chineke ma bụrụ kwa ụzọ agaesi mezue àtụ̀mààtụ̀ nke Chineke. Ndị ezipụtara ijéozi n’ihi ndị gaje iketa nzọpụta (Ndị Hibru 1:14). Jisọs jiri ọhụ̀ a na mmezu ya mma àtụ̀ n’ebe Ya Onweya nọ mgbe Ọ gwara Natanile sị: “Unu gāhu elu-igwe ka emegheworo ya, hu kwa ndi mọ-ozi nke Chineke ka ha nārigo nādida kwa n’aru Nwa nke madu” (Jọn 1:51). Nataniel, site ná nghọta nke imemmụọ ya gaabụ onye mazururị na Jisọs bụ “ubube,” ahụ maọbụ ụzọ nke amara nye ụmụmmadụ ndị daraada, na ndị mmụọozi ahụ kwa ndị náenye aka n’óké àtụ̀mààtụ̀ nke Chineke.

Onye dere Abù Ọma dere ihe banyere nke a, n’ụzọ ibu amụma “Ebere na ezi-okwu ezutewo; ezi-omume na udo esutuwo ọnụ. Ezi-okwu nēpu epu n’ala; ezi omume esiwo kwa n’elu-igwe lepu anya” (Abu Ọma 85:10, 11).

Ndị náede abụ agbaliwo ijikọta óké ihe a náakpali mmụọ nke dị n’ọhụ̀ a na ihe dị mkpà ọ naegosipụta n’ebe mgbapụta anyị dị. Otù onye dere:

**“Mam’di ka onye ijè**
**K’anwụ dara**
**Che isi na nkume; nēzu ike;**
**Ma nime nrọm niile,**

**Chukwu, ka m’nọ nso Gị,**
**Chukwu, ka m’nọ nso Gi,**
**Nọdụ nso Gị!**

**“K’ụzọ yi ubube**
**Nēru n’igwe;**
**Onyinye-Gi niile**
**Bụ n’amara;**
**Ndị-m’ozi fem aka**
**Chukwu ka m’nọ nso Gị,**
**Chukwu ka m’nọ nso Gị**
**Nọdụ nso Gị!**

Onyeọzọ nēde abụ nwere mmetụta pụrụ iche, mgbe o dere:

**“Ọ kam mma iso Jisọs jee náním,**
**Nwee nkume ideb’isi, dị ka Jekọb**
**Nādị ndụ mgbe dum ị hụ Iru Ya,**
**Kar’ị Ị’azụ n’ụzọm nējèrughị.”**

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. N’ihi gịnị ka Jekọb ji náaga Heran?
2. Òlee ihe omume Ịsọ lụpụtara n’ebe Jekọb nọ?
3. Gịnị bụ ngọpụ Rebeka nyere Aisak n’ihi ọpụpụ Jekọb?
4. Gịnị bụ ihe Aisak meere Jekọb tupu ọ pụọ?
5. Òlee ebe Jekọb rarụrụ ụra n’abalị mbụ ya, gịnị mere ejiri kpọọ ebe ahụ aha dị otú ahụ?
6. Gịnị ka Chineke gwara Jekọb ná nrọ̀ ahụ?
7. Ònye ka Jekọb tụrụ egwù ya mgbe o tetara n’ụtụtụ?
8. Kwue ihe Jekọb mere mgbe o tetara?
9. Gịnị ka Jekọb kwere mkwà ime mgbe o kpereekpere?
10. Gịnị bụ onyinye amara nke Jekọb natara n’ebe a?